## UKA NKE IRI NA ANO N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME, AFO NKE ABUO

**EKPERE MMEGHE:**
Chineke anyi, site n'irube isi nke Jesu Nwa Gi, I kulitela uwa dara ada. Biko, nye anyi bu ndi kwere na Gi anuri di aso. Meekwa ka anyi bu ndi I gbaputara n'igba ohu nke njo nweta anuri di ebighi ebi. Site n'Onyenweanyi Jesu Kristi….**AMEN.**

**IHE OGUGU NKE MBU:** Izikel 2:2-5
**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo onye Amuma Izikel**
Mmuo nke Onyenweanyi banyere n'ime m. O biakwara mee ka m guzo oto n'ukwu m abuo. Anuru m ka o na-agwa m okwu si: "Nwa nke mmadu, ana m eziga gi ka i jekwuru ndi Izrel, ndi bu mba na-enupu isi, ndi nupuru isi megide m. Ha na nna nna ha enupula isi ha megide m, ruo o buladi ugbu a m na-ekwu okwu. Ndi ahu m na-eziga gi ka i jekwuru bu ndi isi ike, na ndi nnupu isi. Gwa ha ihe ndi a si ha. Lee ihe Onyenweanyi Chineke kwuru. Ha bu ndi na-enupu isi, n'ihi ya, ma ha gere gi nti, ma ha egeghi gi nti, ihe di mkpa bu na ha ga-amata na onye amuma no n'etiti ha.
**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu

**ABUOMA NA AZIZA YA:** Ps.122:1-2,3-4. Az.2
**Az: Anya anyi wukwasara n'Onyenweanyi ruo mgbe o ga egosi anyi ebere Ya.**
1. Gi bu onye ahu noduru ala n'oche eze nke igwe, eweliteere m Gi anya m elu, n'udi ahu anya ohu si ele aka nke nna ya ukwu. **Aziza.**
2. Dika anya odibo nwanyi si ele aka nne ya ukwu, otu ahu kwa ka anya anyi si ele Onyenweanyi Chineke, wee ruo mgbe O meere anyi ebere. **Aziza.**
3. Onyenweanyi, meere anyi ebere. Biko, meere anyi ebere. N'ihi na nleda anya e ledara anyi akariala. Obi agbapiala anyi n'ebe ndi nganga ji anyi akpa ochi. **Aziza.**

**IHE OGUGU NKE ABUO:** Korint 12:7-10
**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo nke Abuo Pol di aso degaara ndi Korint**
Ka m wee ghara ifuli onwe m elu karia, n'ihi ihe itu n'anya na oke mkpughe Chineke kpugheere m, e tinyere ihe mgbu n'anu ahu m, ka o na-adu m dika ogwu. Ihe mgbu a di n'anu ahu m na-eti m aka dika mmuo ozi nke ekwensu, na-eme ka m ghara ifuli onwe m elu karia. Ugboro ato ka m rioro Onyenweanyi aririo banyere ihe a, ka o puo n'ahu m. Ihe O zara m bu: "Amara M ezuorela gi! N'ihi na ike M na-aputa ihe mgbe ike mmadu na-adighi." Ya mere, obi di m uto nke ukwu mgbe m na-anya isi n'ime adighi ike m nile, ka ike nke Kristi wee ridakwasi m, birikwa n'ime m. Ya mere, n'ihi Kristi, ka m na-anagide adighi ike m nile, mkpari ndi mmadu , mkpa, nsogbu nile, na ihe ndakwasi di iche iche. N'ihi na mgbe m na-adighi ike n'anu ahu ka m nwere ike na mmuo karia.
**Okwu nke Oseburuwa** Ekene diri Chukwu.

**ALELUYA:** Jon 1:12-14
***Aleluya, aleluya!*** Okwu Chineke ghoro mmadu wee binyere anyi. O nyere ndi nabatara Ya ike igho umu Chineke. ***Aleluya!***

**<u>OZIOMA:</u>** Mak 6:1-6

**Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Mak dere**

Jesu wee si n'ebe ahu puo laghachi n'obodo amuru Ya. Umuazu Ya sokwa Ya gaa. Mgbe ubochi izuike ruru, O malitere izi ihe n'ulo nzuko ndi Juu. Ibobo wee nwuo ndi nile nuru nkuzi Ya n'ahu, nke mere na ha malitere iju si: "Ebee ka nwoke a noro muo ihe ndia nile? Olee udi amamihe e nyere Ya? Leekwa oru ebube nke a ruru site n'aka Ya. Nwoke a, o bughi nwa kapinta, nwa Meri, na nwanne Jemis, na Josef, na Judas, na Saimon? Umunne Ya ndi nwanyi, o bu ha anoghi n'ebe a n'etiti anyi?" Ha wee hie uzo n'okwukwe ha, ju inabata Ya. Jesu wee si ha: "Onye amuma nwere nsopuru ebe o bula ma e wepu n'ala nna ya, n'etiti ndi ikwu na ibe ya, na n'obi nna ya." N 'ihi ekweghi ekwe ha, O nwezighi ike iru oru ebube o bula n'ebe ahu, ma e wepu na O bikwasiri ndi oria olemole aka Ya, wee mee ka ahu ha di ike. Ekweghi ekwe ha wee juu Ya anya.

**Ozioma nke Oseburuwa** Otito diri Gi, Kristi.

**<u>EKPERE NHUNYE:</u>**

Onyenweanyi, biko mee ka aja nke a anyi na-achu maka otito nke aha Gi sachaa anyi. Site n'ubochi ruo n'ubochi, ka omume anyi buru ihe na-ewetara anyi ndu nke ga-akwadebe anyi maka eluigwe. Site na Kristi Onyenweanyi……**AMEN.**

**<u>EKPERE A NATACHAA ORIRI NSO:</u>**

Onyenweanyi, onyinye I nyere anyi n'oriri nke a ebuka. Biko anyi na-ario Gi, mee ka anyi nara onyinye nzoputa nke a, were na-eto Gi mgbe nile akwusi akwusi. Site na Kristi Onyenweanyi…..**AMEN**.